# <u>26th Sunday of Year A- September 27th, 2020</u>
# <u>UKA NKE 26 N'OGE NA-ADANYEGHI N'EMUME- Afo nke Mbu</u>

## IGBO:

**IHE OGUGU NKE MBU:**
**Ihe ogugu nke e wetara n'Akwukwo Onye Amuma Izikel (18:25-28)**
***Isi Okwu: O buru na onye njo ewepu aka na njo, n'ezie o ga-ebi.***

**O**kwu Onyenwenayi ruru m nti si m: "Unu na-ekwu, Uzo Onyenwenayi ezighi ezi." Ulo Izrel, biko geenu nti: O bu uzo M bu nke na-ezighi ezi? O bu na o bughi uzo unu bu nke na-ezighi ezi? Mgbe onye ezi omume siri n'ezi omume chigharia, malite ime mmehie, onwu gbuo ya, obu n'ihi ajo omume o metara ka o jiri nwuo. Ma onye ajo omume si n'ajo omume chigharia, malite ime ezi omume, o ga-echedo ndu ya. N'ihi na o tuleela n'obi ya, kpwebiekwa ihapu mmehie ya nile, ma malite ibi ndu ziri ezi. Ndu ga-abu nke ya. Ogaghi anwu.
**Okwu nke Oseburuwa- Ekele diri Chukwu**

**ABUOMA NA AZIZA YA: 25:4-9 Az.6**
***Aziza:Onyenwenayi, Chetanu Ebere Gi.***

1. Onyenweanyi, mee ka m mata uzo Gi. Kuziere m okporo uzo Gi. Duziwe m n'ezi okwu Gi, na-agbazikwara m. ***Aziza***.
2. Onyenwenayi, cheta na obi ebere na obi oma Gi na-na-adi sitere na mgbe ochie. Echetakwala njo m mere na okorobia n'adighi ike m. Onyenweanyi cheta m n'obi oma Gi, n'ihi na I di mma. ***Aziza***
3. Onyenweanyi di mma burukwa onye ezi omume. Otu a ka O si egosi ndi njo uzo. O na-eduba onye umeala n'ezi omume, biakwa na-akuziri ndi umeala uzo Ya. ***Aziza***

**IHE OGUGU NKE ABUO**
**Ihe ogugu e wetara n'Akwukwo Ozi Pol di aso degaara Ndi Filipia (2:1-11 ma o bu 2:1-5)**
***Isi Okwu: Echiche unu ga-adi ka nke Kristi***

**A** si unu ji ndu anyi di n'ime Kristi kporo ihe! A si ihunanya nwere ike ikpalite unu ka unu mee ihe o bula, ma o bu Mmuo Nso ahu anyi nwekotara onu! A si o bu inwe obi ebere ma o bu obi oma ka unu jiri kporo ihe, jikotanu onu n'inwe otu obi na inwe ihunanya. Werenu otu uche gbawa mbo inweta otu ihe ahu anyi na-acho. Ihe a bu so otu ihe ga-eme ka m juputa n'anuri.Onye emekwala ka e too nani ya. Onye aghokwala aghugho. Kama onye o bula ga na-acho ihe ga-abara ibe ya uru. Were ya, na nke onye nke ozo, ka nke gi mkpa; ka a ghara inwe onye

bu uzo na-acho nke onwe ya. Kama ka onye o bula chewe maka odimma ndi ozo. Uche unu kwesiri idi ka nke Kristi Jesu:

**Okwu nke Oseburuwa- Ekele diri Chukwu**

**ALELUYA Jon 10:27**

Aleluya, aleluya! Aturu m na-anu olu m, Dinwenu na ekwu. Amakwaara m ha, ha na-esokwa m. Aleluya.

**OZIOMA: Ihe ogugu nke a si n'Ozioma di aso nke Matiu dere (21:28-32)**
***Isi Okwu: Ndi onako-utu na umunwanyi akwuna ga-ebu unu uzo abanye n'alaeze Chineke***

Jesu juru ndi isi nchuaja na ndi okenye si: "Gini ka unu chere? Otu nwoke nwere umu abuo. O jekwuuru nke diokpara si ya: 'Nwa m, jee oru n'ubi m taa.' Ma o zara si: 'Agaghi m eje.' Ma o mesiri chegharia, jee oru n'ubi nna ya. Nwoke ahu jekwuwara nwa ya nke abuo, ziekwa ya otu ozi ahu. Nwa ya zara ya: 'Nna m, aga m ejeriri ya.' Ma o jeghi. N'ime umu abuo ndi a, olee nke mere ihe nna ya choro"? Ha zara si: "O bu nke mbu." Jesu wee si ha: "N'igwa unu eziokwu, ndi onako-utu na umunwanyi akwuna ga-ebu unu uzo abanye n'Alaeze Chineke. N'ihi na mgbe Jon Ome Mmirichukwu jiri ikwuba aka oto biakwute unu, unu ekweghi n'ihe o kwuru. Ma ndi onako-utu na umunwanyi akwuna kweere na ya. O buna mgbe unu huru nke a, unu emesighi chegharia, kwere na ya." **Ozioma nke Oseburuwa- Otito diri Gi, Kristi**

**English:**

**First Reading: A Reading From the Book of the Prophet Ezekiel (18:25-28)**
Thus says the LORD: You say, "The LORD's way is not fair!" Hear now, house of Israel: Is it my way that is unfair, or rather, are not your ways unfair? When someone virtuous turns away from virtue to commit iniquity, and dies, it is because of the iniquity he committed that he must die. But if he turns from the wickedness he has committed, he does what is right and just, he shall preserve his life; since he has turned away from all the sins that he has committed, he shall surely live, he shall not die. **The Word of the Lord- Thanks be to God**

**Responsorial Psalm (Psalm 25)**

**Response: Remember your mercies, O Lord.**

1. Your ways, O LORD, make known to me; teach me your paths, guide me in your truth and teach me, for you are God my savior. **Response**
2. Remember that your compassion, O LORD, and your love are from of old. The sins of my youth and my frailties remember not; in your kindness remember me, because of your goodness, O LORD. **Response**
3. Good and upright is the LORD; thus he shows sinners the way. He guides the humble to justice, and teaches the humble his way. **Response**

**Second Reading: A Reading from the Letter of St. Paul to the Philippians (2:1-5)**

Brothers and sisters: If there is any encouragement in Christ, any solace in love, any participation in the Spirit, any compassion and mercy, complete my joy by being of the same mind, with the same love, united in heart, thinking one thing. Do nothing out of selfishness or out of vainglory; rather, humbly regard others as more important than yourselves, each looking out not for his own interests, but also for those of others. Have in you the same attitude that is also in Christ Jesus. **The Word of the Lord- Thanks be to God**

**Alleluia (John 10:27)**

R. **Alleluia, alleluia.**
My sheep hear my voice, says the Lord; I know them, and they follow me.
R. **Alleluia, alleluia.**

**Gospel: A Reading from the Holy Gospel According to Matthew (21:28-32)**

Jesus said to the chief priests and elders of the people: "What is your opinion? A man had two sons. He came to the first and said, 'Son, go out and work in the vineyard today.' He said in reply, 'I will not, ' but afterwards changed his mind and went. The man came to the other son and gave the same order. He said in reply, 'Yes, sir, ‘but did not go. Which of the two did his father's will?" They answered, "The first." Jesus said to them, "Amen, I say to you, tax collectors and prostitutes are entering the kingdom of God before you. When John came to you in the way of righteousness, you did not believe him; but tax collectors and prostitutes did. Yet even when you saw that, you did not later change your minds and believe him." **The Gospel of the Lord- Praise to You Lord Jesus Christ**